Enyemaka Usoro Ejije N'ikụzi Omenaala Igbo N'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Ukwu Dị N' Okpuru Ọchịchị Nsụka , Steti Enugwu

By

Eze, Roseline Ifeoma Ph.D
08064008703
roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng.

Abonyi Augusta Ngozi Ph.D
08030899936
augusta.abonyi@unn.edu.ng
Department of Arts Education, Faculty of Education
University of Nigeria Nsukka, Nigeria

Ụmị Edemede

Nchọcha a lebara anya na mmetụta usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Nsụka , steti Enugwu. Ndị nchọcha jiri usoro nchọcha sọvee nkọwa mee ya bụ nchọcha. Ndị nchọcha jiri ụmụakwụkwọ dị 1,482 na ndị nkuzi dị 41 n'ọnụọgụ mee nchọcha. Usoro tụmbọm tụmbọm ka e ji sere ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị narị abụọ na iri (210) na sekọndịrị ukwu na ndị nkụzi iri abụọ (20) site n'ime ụlọakwụkwọ anọ (4) dị na Nsụka, steti Enugwu mee ya bụ nchọcha. Ajụjụ ngwa nchọcha e ji nweta data a tụrụ anya bụ ajụjụ ederede njụmaaza dị 10 n'ọnụọgụ nke gbadoro ụkwụ na njụmaaza mmetụta usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo na sekondiri ukwu (NMEIOINSU). Ọ bụ site n'ụsa dị iche iche ndị nzaajụjụ nyere ka ndị nchọcha gbadoro ụkwụ wee hazie nchọpụta dum e mere na miin na ndịpụ n'izugbe (SD). Site n'ụsa dị iche iche ndị nchọcha nwetara, nchọpụtara gosiri na iji usoro ejije kụzie omenaala Igbo na-eri mperi n'ebe ọ dị ukwuu, ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ịmụ omenaala Igbo oge e jiri usoro ejije akuzi ha ihe nke na-eme ha na-etinye echiche n' omenaala Igbo. Ndị nchọcha chọpụtakwara na enweghị akọrọngwa dị iche iche e ji emepụta ejije so na mkpọbiụkwụ, oge a na-ewepụta mgbe a na-emepụta ejije dị obere. Site na nchọpụta , arọ ndị nchọcha bụ na ọ dị mkpa na ndị Gọọmentị ga-agba mbọ na-eguzobe ọgbakọ Semina kwamgbe kwamgbe, ebe a ga na-akuziri ha ọtụtụ ihe ga-ewulite amamihe ha n'usoro nkuzi kachasị mma ha ga na-agbaso ọkachasị iji usoro ejije akuzi omennala Igbo

n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị, ndị nhazi agụmaakwụkwọ ga-agba mbọ itinye usoro ejije na nkụzi omenaala Igbo n' ụlọakwụkwọ site n'iwebata ọtụtụ akọrọngwa ga-enyere ụmụakwụkwọ aka oge ịmụ omenaala Igbo n'usoro njiji. Ọzọ bụ iwepụta nnukwu oge maka iji mmepụta ejije na klasị, maka na ọ bụ otu ọkpụrụkpụ ihe ndị nchọcha chọpụtara na- adọghaghi mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo azụ.

Igodo okwu: Enyemaka, Ejije, Ikuzi, Omenaala,Igbo, Ụlọakwukwọ

Abstract

The major purpose of this paper is to examine the influence of teaching Igbo culture in Senior secondary schools in Nsukka local Government area of Enugu state using drama method . The researchers adopted Survey research design. Two research questions guided the study. The population of the study comprises 1,482 and 41 Igbo language teachers. The sample size of 210 students and 20 teachers in the 4 selected secondary schools in Nsukka local Government area in Enugu state were selected using the simple random Sampling technique. The research question that guided the study is in written response. Data was collected using10-item structured questionaires tagged Questionaire on the Influence of drama method in teaching Igbo culture in Senior Secondary schools (IODMITICISS). Mean and standard deviation (SD) were used to answer rhe research questions. Findings reveal that teachers lack knowledge of teaching Igbo culture using drama method, Students pereform better and develop interest in the culture of their environment when they are taught Igbo Culture using drama method. The researchers find out that lack of instructional material for drama performance in schools is a great set back, the time allotted for drama performance is too small. Based on the findings; The researchers recommend that Government should make effort to provide the drama equipments in schools to enable students have pratical knowledge of Igbo culture they are learning. The researchers recommends that Secondary school teachers in Nsukka local Government Area should be encouraged through workshops,Seminars conference opportunities to enable teachers upgrade their knowledge competence, skills, attitude, practices and self efficacy in their career. This will hopefully combat slow self-efficacy to teaching generally especially in the area of Igbo culture.

Keywords: Influence, Drama, Teaching, Culture, Igbo, Schools

Ntọala

Asụsụ bụ okwu asụsụ mmadu na ibe ya ji ezipụta ebumnobi ha nke na-eweta ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Maka na asụsụ ka e ji ezipụta ọnọdụ ọbụla, o gosiri na asụsụ dịka mmiri nke na-emeda akpịrị kpọrọ nkụ.. Ọ bụ naani mmadụ nwere ike isụ asụsụ doro anya. Nke a pụtakwara na naani asụsụ bụ ihe kewapụrụ mmadụ n'ihe ekere eke ndịozọ. Eze (2019) kọwara na ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ na ibe ya si ezikorita ozi ma kọwa na asụsụ bara uru n'etiti mmadụ okachasi na ngalaba ọmụmụ agụmakwụkwọ. Mba ọbụla nwere asụsụ nke bụ ọba na-echekwa ụzọ ndụ. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ kacha pụta ihe e nwere n'ala Naijirịa. atọ kacha pụta ihe na Naijirịa. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naịjirịa, ha gụnyere: lgbo, Hausa na Yoruba. Nke a mere na gọọmentị etiti ala Naịjirịa (Fedral Republic of Nigeria FRN, 2013) kwadoro ma wube iwu nwata akwụkwọ ọbụla ịmụ otu n'ime asụsụ atọ pụtakarịrị ihe n'obodo Naịjirịa nke si n'agbụrụ atọ kacha n'ọnụọgụ na Naịjirịa: –Asụsụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Iwu a kwusiri ike na nwatakịrị ọbụla ga-ama otu n'ime asụsụ atọ ndị a tinyere nke gburugburu ebe obibi, ya maka ezi mmekọrịta na ịdị n'otu nke ndị obodo Naịjirịa. Obodo ndị mebere ala Igbo gunyere Enugu, Ebonyi, Imo, Abia na Anambra Steti. Asụsụ na omenaala dịka nwanne, ha bụ ahụghi mmiri na-emeghi akwụ. Asụsụ bụ mpaghara omenaala n'ihi na omenaala sokwa n'ihe na-ezipụta ebe onye si, ọ na-ezipụta etu e si ebi ndụ. Onuorah (2012) kwuputara na asụsụ bụ mpaghara omenaala mana ọ bụ site n'asụsụ ka e si akuzi omenaala. Ihe ọmụmụ, mmụta na nkwenye ọbụla bụ nke si n'aka fere anyị aka bụ asụsụ ka e jiri zipụta ya. Nwokoye (2019) kọwara na onye Igbo ọbụla nwere ezinaụlọ o si na ya pụta. Ọ bụ bido n'ezinaụlọ ka a na-ebido akuziri mmadụ usoro ebimdụ, omenaala na ewumewu ndị Igbo.

N'omenaala ndị Igbo, ha kwenyere na a na-ebido n'oge nwa dị na nwata wee na akụnye mkpụrụ ezi omume na omenaala ya n'ime ha. Eze na Umo (2021) kọwara na omenaala bụ akara jikoro ndị Igbo onụ. Nke a mere na ha na-ebido mgbe a mụrụ nwata n'ala Igbo jiri omenaala na-egosipụta ihe niile e ji anabata nwa n'ala Igbo.. Okoh (2014) kọwara na omenaala, ekpemekpe, ọdịnaala, nsirihụụwa, agụgụala na amamihe ha n'aka agbụrụ na-etolite etolite. . Obodo ọbụla nwere omenaala dị iche iche nke na-enyere ha aka izipụta ndụ na nkwenye ha. Onukawa

(2018) kwadoro nke a mgbe o kwuru na mba niile nwere ụzọ ha si ebi ndụ ha dịka okpukpere chi ha, atụmanya ha, usoro ha si akpa onwe ha obi ụtọ, ụdi nri ha, mmasi ha nakwa ihe na-adị ha njọ. Ihe nke a pụtara bụ na omenaala bụ mmadụ chepụtara ma hiwa ya iji meeka ndụ na-aga n'usoro nke si n'aka ndị nna ochie we rue ndị agba ọhụụ aka. Nke a mere na omenaala anaghị anwụ anwụ kama onwe ngbanwe. Omenaala na-etowanye kwa mgbe kwa mgbe n'ihi na ọ na-anabata mgbanwo ma ọ bụ ihe ọhụrụ di iche iche site na omenaala ndị ọzọ. Omenaala ndị ọzọ. Eze (2019) kọwara na omenaala bụ ihe ọbụla gbasara etu agburụ ma ọ bụ etu ndị si ebi ndụ ha nke metutara ; asụsụ , agụmagụ , na nkwenye dị iche iche gbasara ekpemekpe ha na mmereme di iche iche ha na-eme n'obodo.

N'agbanyigi na asụsụ nwere ndị na-akwado ya mana ọtụtụ nsogbu chere ya aka mgba, ọkachasi n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Ụmụakwụkwọ enweghị mmasi imụ asụsụ.Igbo nke nwere ike ịbụ maka usoro nkuzi ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji akuzi ihe, ọgụgụ isi ụmụakwụkwọ na ihe ha hụrụ n'anya na nkwado nne na nna. E nwere usoro nkụzi di iche iche dịka usoro asompi, usoro akụkọ, usoro ejije, usoro ekwemekwu, usoro egwuriegwu, usoro ajụjụ, usoro mkparitaụka na ndi ọzọ. Ndị nchọcha na-eche na usoro nkuzi ejije ga-adị ezi ire ma dị mma ịkpalite mmụọ ụmụakwụkwọ ọkachasị ndị ntorobịa n'ihe gbasara omenaala obodo n'ọmụmụ asụsụ Igbo na klasị. Mgbe ọ bụla a na-emepụta ejije, a ga-enwe nkwago ebe a na-emepụta ya bụ ejije. A na-emepụta ejije n'ama obodo, okachasi ejije ọdinaala, ebe ndị nkiri na-ewere ọnọdụ ma kirie ihe a na-emepụta. Mmadu nwere ike ijiji ihe ọbụghi, nwoke nwere ike ijiji nwaanyi ma ọ bụ nwaanyi ijiji nwoke. Mmadụ nwekwara ike ijiji anụmanụ, mana ihe kacha mkpa n'ejije bụ emereme.

Nke a mere na nchọcha a ga-agbado ụkwụ na usoro ejije, ichọpụta mmetụta iji usoro nkuzi ejije kuzie omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekondịrị ukwu dị na zonu Nsụka. N'oge gboo, ọ bụ naanị n'ọnụ nkịtị ka a na-agụpụta ihe na akụkọ Ọdịnaala dịiche iche,nke na naanị ọrụ ụmụakwụkwọ bụ ige ntị na igụ ihe ọgụgụ. Ugbu a, enwela ọtụtụ usoro di iche iche. N'ime usoro ndị ahụ, a na-ahụta usoro ejije dịka nke kacha akwalite mmụọ na echiche ụmụaka n'ihe gbasara ọmụmụ omenaala Igbo. Ejije bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ enwere.

Ejije bụ emereme nńomi nke ndị na-eme ya na-esite na nńomi agwa ha a bụghi meeka ndị mmadụ mụta ihe ma ọ bụ nwee obi ụtọ. Eze na Umo (2021) kọwara

ejije dịka mmeghaṛịa na igosipụta ndụ n'ihe ndi na-eme na ndụ. Ha gara n'ihu kọwaa na nke a na-apụtakaṛị ihe mgbe a na-emepụta ya n'ama egwuriegwu obodo n'ala Igbo, ọkachasị n'oge egwu ọnwa, n'uhuruchi mgbede mgbe ndị mmadụ ji enwe ezumike ọrụ. Nwangi (2016) kọwara na ejije bụ ugegbe anyị ji ahụ ọnwe anyị, nke na-eme ka anyị cheba echiche ime gbasara ebumnuche na omume mmadụ. Dubai na Duzgun (2013) na Akpamgbo (2020) kwadoro nke a mgbe ha kwuru na ejije na-eweta ngosi na nkọwa nke anụ ahụ na echiche ime mmụọ, nke na-agbanwe echiche ụmụaka n'ihe gbasara imepata ihe. Ihe nke a pụtara bụ na ejije bụ enyo eji ahụ ụwa n'ihe dị n'ime ya.Usoro ejije bụ otu n'ime usoro nkụzi ihe a nabatara ka e were na-akụzi nkuzi. Usoro ejije bụ nke onye nkụzi na-ewepụta otu isiokwu, ụmụaka emepụta ya n'ụdị emereme. A na-enwe mmeghaṛịa ahụ dịka mkpaṛịtaụka ma ọ bụ ọgbụgba egwu. Atụtụ Ọmụmụ Mmekọṛịta Mmadụ na Ibe ya nke Albert Bandura(1925) gosiri ka ndị mmadụ si amụta ihe n' aka ndị ọzọ site n' iňọmi ndị ahụ. Atụtụ a kọwara na omume e ji mara mmadụ na-esite na mmekọṛịta dị n'etiti ya na ibe ya n' ụdị nňomi. Bandura kwenyere na site na nňomi omume ndị ọzọ oge ha na-eme ihe, mmadụ na-amụta ihe ọhụrụ. Ọ gara n'ihu kọwaa na ụmụaka na-ebido ịmụta asụsụ na omenaala site n'ihe ha na-anụ na ihe ha na-ahụ na gburugburu ebe ha bi nke mere na ha na-esi n' ihe a na-eme n' okirikiri ebe ha nọ were na-enweta ihe ha ji amụ asụsụ. Ụmụakwụkwọ na-amụtakaṛị ihe (omenaala) n' asụsụ ha tinyere uche ha na ya, na-amụta omenaala site n' aka ndị nọ ha nso dịka ndị ezinaụlọ, na ndị bị ha nso site n' ịňọmi ihe ndị ahụ na-eme ma gbaa mbọ mee ka ha. Bandura gossipụtara na ọtụtụ ihe na-enyere ụmụaka aka ịmụta omenaala dịka inye ha ezi nkwado nakwa ụmụaka ahụ ịgba mbọ were omenaala ha mụtara tinye n' omume. Bandura nabatakwara ịgba ụmụaka ume. Atụtụ Skinner (1957) kwadoro na ụmụaka na-eme ihe na-aga n' ihu mgbe ọbụla a na-agba ha ume ebe ume n'ada mba nyụọ ka ọkụ mgbe onweghi onye na-agba ya ume. Ọ bụ ndị nne na nna maọbụ ụmụnne ụmụaka ga-agbaziri maọbụ gba ụmụaka ume mgbe ha na-amụ omenaala Igbo.Usoro ejije bụ usoro na-enyere ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ aka ịchigharị uche, were ọnọdụ ma hazie ihe niile ụmụaka na-emepụta site na mkpaṛịtaụka ma hụkwa ụwa n'akụkụ dị iche iche. Agụmakwụkwọ kwesiri ka a hazie ya n'ụdị ga-eme ka ụmụakwụkwọ jiri akọnuche ha rụọ ọrụ ma nweta amamihe. Usoro ejije dị nnukwu mkpa n'ebe ụmụakwụkwọ nọ maka na ọ na-enyere ha aka isonye n'ihe a na-eme ma chepụtakwa echiche nke aka ha. Eze na umo (2021) kwadoro na usoro nkụzi ejije na-egosipụta ọdịdị ihe n'usoro ebimndụ.Ndị nkụzi na-enye ụmụaka agwa ma ọ

bụ ha jiri aka ha kwupụta agwa ha ga-abụ ma mepụta ya n'ụdị emereme.Site na-nkọwa a niile e nyere ejije, a ga-ahụta ọtụtụ uru ejije bara. Ihe onye ọbụla hụrụ n'anya ka ọ ga-enwe ike ikọwapụta nke ọma. Ọzọ bụ na ejije na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'isonye n'ihe a na-eme. Inye nwata akwụkwọ ohere imepụta ejije ga-enyere ya aka inwe obi siri ike ma cheba echiche ime. O na-ewetakwa ezi mmekọrịta n'etiti ụmụakwụkwọ n'ibe ha ma ọ bụ ụmụakwụkwọ n andị nkuzi.

N'agbanyeghi ihe ndị a niile, ejije nwere ọtụtụ ndọghahiazụ maka iji ya kụzie omenaala Igbo ọkachasi n'ogo sekondịrị . Nke mbụ bụ na ndị nkuzi anaghi etinye ezi ozụzụ e nyere ha banyere usoro nkuzi. Ụfọdụ n'ime ha enweghi mmasi iji usoro ejije n'ihi na ha kwenyere na ọ bụ ihe na-ewe otụtụ oge. Ụfọdụ n'ime ha na-ejikwa naanị otu usoro dịka usoro ekwumekwu wee n-akuzi omenaala Igbo. Ndị nkuzi kwesiri ịma mgbe ha kwesiri iwebata usoro nkụzi ga-enye aka ịkwalite mmasi ụmụakwụkwọ maka na usoro ekwemekwu anaghị enye ụmụaka ohere imeghari ahụ, naanị ige ntị, akọrọ ngwa e ji emepụta ejije adịgnị ọtụtụ. Eze (2019) kwadoro na ọ dị mkpa na ndị gọọmenti ga-agba mbọ hụ na enwegasịrị ụmụ ihe ndị ọkpụ n'ụlọkwụkwọ dị iche iche a na-eme asụsụ Igbo nke ga-eme ka ngwa nkuzi omenaala Igbo dị mfe. A chọpụtara na oke ọnụ ngwa ejije dịka ekike so n'ihe na-ebuda mmụọ ụmụaka n'ọmụmụ ejije na ọ na-ebute oke imefu ego. Ejije ọdịnaala Igbo na-abịakarị n'ụdị keaja dị iche iche dịka ichụ aja, ịgọ ọji, ịgọ ọfọ ma ọ bụ ihe nzuzo ndị ọzọ anaghị ahụ anya. N'agbanyehi ọtụtụ nsogbu ndị a, ebumnuche ndị nchọcha gbadoro ụkwụ n' ịchọpụta ihe ndị ahụ na-emetụta iji usoro ejije akụzi omenaala Igbo na sekọndịrị ukwu dị na okpuru ọchịchị Nsụka.

Nsogbu Nchọcha

N'agbanyeghi na nwa amala Igbo ọbụla tosiri ịma omenaala nna ya maka mkpa ọ dị n'ebimdụ mmadụ bido n'ezinaụlọ a mụrụ nwata, ọ bụ ihe nwute na ọtụtụ ezinaụlọ ala Igbo anaghị akuziri ụmụ ha nke a. Ọzọkwa, enweghi ụbara ndị nkụzi nwadiala mara omenaala Igbo ke ọma, maka ịkpali mmụọ ụmụakwụkwọ so na nsogbu chere iji ejije kuziere ụmụaka omenaala Igbo maka ịmata omenaala obodo ha.

Mbumnuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ileba anya na enyemaka usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Nsụka , steti Enugwu . N'ihi nke a, nchọcha a ga-eleba anya n'ihe ndị a:

1. ịchọpụta ụdị ejije ndị ahụ na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.
2. .ịchọpụta ka akọrọngwa ejije si emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.

Usoro nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro sovee nkọwa. Eze (2021) kọwara Sọvee nkọwa dịka usoro eji achọpụta echiche ndị mmadụ dịka ihe bụ ọchịchọ obi ha maọbụ ihe masịrị ha. Mmasị ndị nchọcha n'iji usoro nchọcha a rụọ ọrụ bụ na, a na-esite na ya enweta ọsịsa ọtụtụ mmadụ n'otu oge, iji chọpụta echiche ụmụakwụkwọ mmetụta usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ seknọndịrị ukwu dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Nsụka , steti Enugwu. Ọnụọgụ ndị nzaajụjụ nke ndị nchọcha ji mee nchọcha bụ otu puku, narị anọ na iri asatọ na abụọ (1, 482), ndị nkụzi dị iri anọ na otu (41). (Nsitere: Statistics unit PPSMB Nsukka zone) nke ndị nchọcha si na ya jiri usoro nhọrọ nsere (random sampling) họpụta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị narị abụọ na iri (210) n'ime ụlọakwụkwọ anọ (4) dị na Nsụka. Mmasị iji ogo klasị nke abụọ mee nchọcha bụ maka na ha agụchaala afọ sekọdịrị ukwu nke mbụ, batazịa n'ogo afọ nke abụọ bụ ogo a tụrụ anya na ha enweela ntọala omenaala Igbo, marakwa ụfọdụ ihe ndị ahụ ndị gburugburu obodo ya na-asọ nsọ nke na-emetuta mmeta nke ọma ha n'ọmụmụ omenaala Igbo. Ọzọ bụ na ha ka nwee ohere, ebe ka gụchara otu afọ,na-akwadozi ịbanye n'ogo nke abụọ bụ ebe ha kwesiri ịbụ akwa akwụrụ n'omenaala ha.

Ajụjụ ọsịsa njụmaza na Isiokwu ya bụ : njụmaaza mmetụta usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekondiri ukwu (NMEIOINSU). ka e ji nweta data a tụrụ anya. NMEIOINSU. dị iri (10) n'ọnụọgụ nke dị n'ụdị ọsịsa nke ndị nchọcha mebere, iji lele ka usoro ejije si emetuta 'ikụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekondiri ukwu . O nwere nkeji A na nkeji B. Nkeji A bụ nke e ji nweta data metutara ejije ndị ahụ na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo ebe nkeji B metụtara ịmata ka akọrọngwa ejije si emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.Ngwaa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke ndị nkuzi atọ

nọ na ngalaba asụsụ Igbo, Edukeshọnụ nka na Mgbakọ (Measurement and Evaluation) nyochara ma kweta na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme, E mere ntụkwasị obi ngwaa nchọcha izizi n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị na Ebonyi Steti, esonyeghị n'ebe nchọcha nke nyere ntụkwasiobi 0.76 n'usoro Crombach Alpha. Ndị nchọcha zụrụ ndị nkuzi asụsụ Igbo abụọ nọ na sekọndịrị ukwu gbasara nchọcha ha tupu ebido ihe omume. Ndi nchọcha gbara mbọ hụụ na ndị e ji mee nchọcha nyechara ọsịsa ha tupu, anakọta ha akwụkwọ., Ikesa na ịnakọta akwụkwọ ederede njụmaza were izu ụka abụọ.

E ji miin zaa ajụjụ nchọcha. Nke a bụ maka na miin bụ akara mgbakọ nwere ntụkwasiobi n'akara ọnụọgụ. Akara ọsịsa ajụjụ ọbụla bidoro na 2.5 gbago bụ nke a nabarata na nchọcha a ma jiri ya wee rụọ ọrụ. Ọsịsa ajụjụ ọbụla erughị miin 2.5 bụ nke onye nchọcha anabataghị na nchọcha a.

Tebulu Nke Mbụ:

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: ịchọpụta ejije ndị ahụ na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.

	Ndịna	**EMI**	**EM**	**AM**	**AMI**	**N**	$\bar{x}$	**SD**	**Mkpebi**
1	Ejije ndị ahụ na akpa ntọọchị	65	25	15	5	110	3.35	0.93	Anabatara
2	Ejije ndị ahụ na-akụzi nkụzi	66	24	18	2	110	3.53	0.78	Anabatara
3	Ejije akụkọ n'egwu	56	25	11	8	110	3.12	0.98	Anabatara
4	Ejije ụtọmụfụ	54	24	13	9	110	3.33	0.80	Anabatara
5	Ejije ọdachi	20	27	14	59	123	2.00	1.15	Anabataghị
	Mkpokọtaọnụ miin						3.07	0.93	

Ajụjụ nchọcha nke mbụ gosiri na nzaajụjụ nke 1,2,3,4 na 5, nke miin ha bụ 3.35, 3.53, 3.12, 3.33, na 2.00 na ndịpụ n'izugbe ha bụ 0.93, 0.78, 0.98, 0.80, na 1.15 n'otu n'otu. Mgbakọtaọnụ miin ha bụ 3.07 ebe ndịpụ n'izugbe ha bụ 0.93. Akara miin site na nke mbụ rue na nke anọ dabara nke ọma n'ihi na miin ha karịrị 2.50, nke nkwenyere na ejije ndị ahụ na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo nke gụnyere: ejije ndị ahụ na-akpa sọ ọcham maọbụ amụ, ejije ndị ahụ na-

akụzi nkụzi, ejije akụkụ n'egwu, na ejije ụtọmụfụ. Miin nke nzaajụjụ nke 5 erughị 2.50 nke mere na anabataghị ya, nke a kwenyere na ejije ọdachi esoghị n'ejije ndị ahụ n'akpali mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.

Tabulu Nke Abụọ:

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: ịmata ka akọrọngwa ejije si emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo.

Ọnụọgụ	**Ndịna**	**EMI**	**EM**	**AM**	**AMI**	**N**	$\bar{x}$	**SD**	**Mkpebi**
6	Ọ na-eme ka echiche ụmụakwụkwọ dị n'ejije a na-eme	74	15	7	4	110	3.66	0.74	Anabatara
7	Ọ na-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ n'imepụta ejije	76	18	12	4	110	3.46	0.90	Anabatara
8	Ọ na-eme ka ejije e mepụtara dị ebube	62	28	12	8	110	3.28	0.97	Anabatara
9	Ọna-enyere ụmụakwụkwọ aka icheta akpara agwa ndị nọ n'ejije	60	26	18	6	110	3.08	1.08	Anabatara
10	Ọ na-akpalite ụbụrụ isi ụmụakwụkwọ ịchake na dị ire	57	28	18	7	110	3.31	0.98	Anabatara
	Mkpokọtaọnụ miin						3.37	0.92	

Ajụjụ nchọcha nke 6, 7, 8, na 9 nke miin ha bụ 3.66, 3.46, 3.28, na 3.08 ya ndịpụ n'izugbe ha bụ 0.74, 0.90, 0.97, and 1.08. Akara miin ndị a karịrị 2.50. Ihe nke a gosiri na nzaajụjụ kwenyere na akọrọngwa ejije n'emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo, ha kwenyere na akọrọngwa ejije na-eme ka echiche ụmụakwụkwọ dị n'ejije a na-emepụta, na akọrọngwa ejije na-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ, ọzọ bụ na akọrọngwa ejije na-eme ka ejije e mepụtara dị ebube, ọ na-enyekwara ụmụaka aka ichepụta akparamagwa ndị nọ n'ejije.

Nkata, Ihe A Chọpụtara/Nkọwa Nchụpụta

Nchọpụta gbasara ejije ndị ahụ na-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo site na miin e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke mbu bụ 3.35, 3.53, 3.12, 3.33 na 2.00.gosiri na e nwere ejije ndị ahụ n'akpali mmụọ ụmụakwụkwọ n'ezie n'ihe gbasara ọmụmụ omenaala Igbo. Nke a gosiri na ejije bụ egwuregwu na-akpali mmụọ mmadụ. Nhazi ọbụla e tinyere n'ụdị ejije ga-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ ma mee ka ha ghọta ihe a kụziiri ha. Nke a dabara n'echiche Dubrac (2013) nke na-akọwa na ụmuakwụkwọ anaghị echefu ihe ha mere n'ejije ọsọọsọ. Nchọpụta ndị nchọcha gosikwara na ọ dị mkpa ịmata ụdị ejije ndị ahụ ga-eme ka ụmụakwụkwọ tinye echiche n'ọmụmụ omenaala Igbo..

N'ịmata ka akọrọngwa ejije si emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo, Miin e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke abụọ bụ 3.66,3.46,3.28 na 3.08 gosiri na akọrọngwa ejije na-emetụta mmụọ ụmụakwụkwọ n'ebe ọ dị ukwuu, nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ na-eme ka echiche ụmụakwụkwọ dị n'ihe a na-eme oge ha nwere ọtụtụ ihe ga-adọta mmụọ ha dịka ekike wa na-eke mgbe a na-emepụta ejije. Eze na Ewelum (2023) kọwara na ọ dị mkpa ịkwalite ngwa ejije nkụzi asụsụ Igbo site n'ime ka ọ dị ọtụtụ n'ụlọakwụkwọ nke ga-eme ka nkụzi omenaala dị mfe.

Mmechi

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ngwa nkuzi dịka nke ejije a na-ahụ anya dị mma n'ikuzi na ịmụ omenaala Igbo, ọ dịkwuazị ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'omenaala Igbo nke na=achọ ikpochapụ

Ntunye aro

Site na nchọpụta nchọchc e mere, ndị nchọcha tụpụtara aro ndị a:

1 . Ndị nkụzi ga-agba mbọ hụ na ha ji akọrọngwa ejije ndị ahụ na-enye aka akpali mmụọ na mmsị ụmụakwụkwọ akụziri ha asụsụ Igbo ọkachasị omenaala Igbo.

2 Gọọmenti ga-agba mbọ lekwasị ndị nkụzi ha anya site n'ịdị na-enyocha usoro ha ji akụzi ihe, ma na-akwụ ha ụgwọ dị ọgọ na mgbe o kwesịrị.

3 Gọọmenti na ndị nwere ụlọakwụkwọ ga-ahụ na e nwere ọtụtụ akọrọngwa na-enye aka ime ka ọmụmụ na nkụzi dị mfe n' ụlọakwụkwọ, ọkachasị n'ogo mmụta Sekondịrị ukwu.

4. Ụlọakwụkwọ kwesịrị ịhụ n'ewepụtara ebe a ga na-anọ emepụta ejije maọbụ ihe egwuriegwu dị iche iche n'iji kụzie omenaala Igbo.

Nchịkọta Nchọcha,

Ndị nchọcha lebara anya n' ịchọpụta Enyemaka Usoro Ejije n'ikụzi Omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị ukwu dị na zonu mmụta Nsụka. E mere nchọcha iji chọpụta ma e nwere n'ezie mmetụta usoro ejije n'ikụzi omenaala Igbo. Ndi nchọcha lebara anya n'ọtụtụ ihe dị iche iche e dere gbasara usoro ejije na omenaala Igbo. Ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ọtụtụ mmetụta n'iji usoro ejije kụzie Omenaala Igbo. Ha chọpụtara n'enwere ụfọdụ ejije na-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ omenaala Igbo nke na-eme ka ha tinye echiche ha n'ihe a na-amụ, ha chọpụtakwara na n'ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị ama ejije, ebe a na-emepụta ejije, ya na akọrọngwa kwesịrị ka ejiri na-emepụta ejije nke so akpalite mmụọ na mmasị ụmụakwụkwọ n'ịmụ omenaala Igbo. Ihe ọzọ bụ na oge a na-ewepụta maka iji emepụta ejije n'ụlọakwụkwọ anaghị ezu. N'ikpeazụ, ndị nchọcha haziri ọsịsa ajụjụ e nwetara n'ụdị tebụl na tebul nke e ji akara miin wee nweta mkpebi ọsịsa ha.

Nrụaka

Akpamgbo, E. U. (2020) .Ngosipụta Ịtị Mmọnwụ Di Ka Ejije Zuru Oke. Igboscholars International Journal of IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIAVolume 13 No 3, November, 2020 ISSN: 2476-843ụ.

Bandura, A. (1977). *Social Learning Theory.* Englewood Cliffs, NJ: Prentice Hall.

Duban, N.Y. & Duzgun, M.E. (2013). *Views of teachers on the use of drama method in science and technology courses.*Turkish Online Journal of ọualitative Inọuiry, 4(2).

Dubrac, L. B. (2013). Using theater Techniọues in language classroom. Conference presentation at the 8th Drama and Education IDEA World conference, France.

Eze R. I. (2015). *Factors militating against the implementation of Igbo language curriculum in secondary schools in Nigeria.* International journal of education research vol 14(4)24-31.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta Asụsụ Igbo N'Ogo Junịọ Sekọndịrị* . Chuka Educational Publishers, NSUKKA, Nigeria.ISBN-978-56751-8-4.

Eze, R. I. na Umo, U. C. (2021). *Ụtọasụsụ na menaala Igbo maka senior sekondiri, SSCE, NABTEB na JAMB.* Merit International publications Lagos, Nigeria. ISBN:978-978-52902-6-40.

Eze, R. I. (2021). Nka Usoro Nchọcha n'asụsụ Igbo N'ogo Mahadum . Chuka Educational Publishers, NSukka, Nigeria.ISBN-978-978-56751-7-7

Nwangi, L. B. (2016). Effect of dramatization on learner achievement in learning English language in public secondary schools in Meru County. Kenya APH.D Thesis, University of Nairobi.

Nwokoye, N. (2019). *Asụsụ na omenaala Igbo :Ụdo jikọtara Igbo niile.* Journal of linguistics language and Igbo studies (JOLLIS) 2(1),1-17

Okoh, N (2014). *"Igbo izugbe/olundi" Igbo Amaka S. O. Agwuna& C. J Anidobe (ed).* Onitsha:Veritas printing.

Onukawa, E. N. (2018). *Uchi/Oyima n'omenaala Igbo nakwa n'omenaala ndị Iroopu(Europe). Myiri na Ndiiche* (An international journal of Igbo, African and Asian) st (2)(1),21-3, 2018

Skinner, B.F (1957). *Verbal behaviour.* New York: Appeton Crofts.